# ÀTỤ̀MÀÀTỤ̀ NKE MGBAPỤTA
## I Pita 1:1-12
### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 104 – Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "N'ihi na Chineke huru uwa n'anya otú a, na O yere ọbuná Ọkpara Ọ muru nání ya, ka onye ọ bula nke kwere na Ya we ghara ila n'iyi, kama ka o nwe ndu ebigh-ebi" (Jọn 3:16).**

**Mmalite Zuruòkè nke Mmadụ**

Chineke kèrè mmadụ ka o feè ma too kwa Ya. Ọ kụrụ Ubi maramma ka mmadụ biri nime ya, wee nye ya ihe niile dị ya mkpà iji mee ya obiụtọ. Chineke n'Onweya naarịdata n'ifufe nke anyasị, isoro mmadụ O kèrèrị jee ijè. Ma otù onye ọzọ bịakwara. Ekwensu batara n'Ubi ọma ahụ wee mee ka ụmụ Chineke mehie.

Ekwensu ebiworị otù mgbe n'Eluigwe dịka onyeisi ndị mmụọozi ma o jupụtaworị na nganga wee chọọ kwa ka ọ ra ka Chineke; ya mere ya na ndị náesoụzọ ya nke bụ otù nime ọkara atọ nke ndị mmụọozi bi n'Eluigwe, ka achụpụrụ ma debe kwa nye ahụhụ ebighịebi. Ọ chọghị ka mmadụ sọpụrụ ma rubere Chineke isi, kama nke ahụ ọ chọrọ iwuliri onweya ndị gaeso ya n'azụ̀; n'ihi nke a ọ gara n'iru inweta iruọma nke Adam na Iv, na iduhie ha site n'ebe Chineke nọ.

N'ụdị nke agwọ, ekwensu batara n'Ubi ahụ agbara ogige wee gwa Iv na ha agaghị anwụ n'ezie, dịka Chineke kwuru ma ọ bụrụ na ha erie mkpụrụ sitere n'osisi nke ịma ezi ihe na ihe ọjọọ. Kama, ha gaabụ ndị maara ihe dịka Chineke. Anyị amụtawo na enweghị okwukwe n'Okwu nke Chineke bụ mgbọrọgwụ nke mmehie niile, anyị pụkwara ịhụ n'ebe a na ọ bụ ekweghịekwe nke Iv banyere ihe Chineke kwururị mere ka ọ daba ná nnupụisi nke mbụ o nupụrụ. Adam gekwara onyeiro ahụ ntị, ha abụọ wee rie mkpụrụosisi ahụ nke asịrị ha erila. Nke ahụ bụ ọgwụgwụ nke ọñụ ha zuruòkè. N'ihi nnupụisi ha achụpụrụ ha ba nime ụwa nke tọgbọrọ n'efu ịchọ ụzọ nke ha, ma nnwekọrịta ha na Chineke bụ ihe emebiworo.

Mmehie nke Adam na Iv ka amaara dịka "ọdida ahu." Mmadụ dabara nime mmhie wee tụfue ụdị Chineke na iruọma Ya. N'ihi na Adam na Iv mehiere, onye ọ bụla nke amụbataworo nime ụwa bụ onye nwere ụdị nke mmehie ahụ nime ya nke náeme ya ka o mee ihe ọjọọ mgbe o ruru ogo ịma iheọma na iheọjọọ. Emesịa mgbe o mere mmehie, o kwesịrị ka ọ nwụọ n'ihi na iwu Chineke sịrị "Nkpuru-obi ahu nke nēmehie, ya onwe-ya gānwu" (Ezikiel 18:4).

**Ebere nke Chineke**

Otú ọ dị, Chineke ka hụkwara Adam na Iv n'anya. O wutara Ya na ha ahụghị Yarị n'anya dịka Ọ chọrọ ka ha hụ́ Ya, ma O jikeere ịgbaghara ha ma ọ bụrụ na ha gaechègharị. Chineke nwere àtụ̀mààtụ̀ nke mmadụ gaesite na ya nweghachi ụdị Chineke na iruọma Ya. O kwesịghị ka nwoke, nwanyị maọbụ nwata hụọ ahụhụ ebighịebi, n'ihi na Jisọs abịawo ịgbapụta mmadụ mee kwa ya ka ọ dị nsọ dịka ọ dị na mbụ tupu ọdịda ahụ.

Ngwangwa ahụ Chineke chụpụsịrị Adam na Iv site n'Ubi ahụ agbara ogige O wee kwee mkwà izite Onyemgbapụta nke gaemeri onyeiro ma nye mmadụ ike "ga emehie-kwa-la ọzọ." Amụma nke mbụ banyere Jisọs dị na Jenesis 3:15, ebe Chineke kwere mkwà na agaamụ otù Nwa onye gaetolite ịbụ Onyenzọpụta nke ụwa. Ọ gaghị abụ nwatakịrị efu, kama Ọkpara Chineke Onweya, nke gaabịa ibi n'etiti mmadụ ma nwụọ kwa ọnwụ n'ọnọdụ ha, ewee site na nwụsị Ọbara Ya zọpụta ha.

Iwu nke Chineke, "Nkpuru-obi ahụ nke nēmehie, ya onwe-ya gānwu," naadịgide kwa; ma Jisọs kweere ịnwụ n'ọnọdụ anyị. Jisọs Ọkpara Chineke, Onye amaara dịka Onye (maọbụ Jewel) nke dịkarịsịrị ókéọnụahịa nke Eluigwe. Onye Chineke hụrụ n'anya, jikekwara ịrapụ ebe obibi ọma Ya bịa n'ụwa ịta ahụhụ na ịnwụ ka Iwu nke Chineke wee bụrụ ihe emezuru nke gaeme ka mmadụ ghara ịta ahụhụ n'ihi mmehie ya niile. Ma n'ihi na Jisọs anwụwo, anyị pụrụ inwe ndụ ebighịebi ma ọ bụrụ na anyị abịakute Ya ná nchègharị rịọ kwa Ya ka ewere Ọbara Ya lụọọlụ nime obi anyị.

**Ihe Chineke Kpọrọ Ọnwụ**

Ma eleghịanya ị chere na Adam na Iv anwụghị ọnwụ maọlị dịka Chineke kwuru na ha gaanwụ ma ọ bụrụ na ha enupụisi – n'ihi na ha gara n'iru náadị ndụ mgbe ha pụsịrị site n'Ubi ahụ agbara ogige. Gịnị ka Chineke naakpọ ọnwụ? Mgbe Lazarọs nwụrụrị ihe ahụ nke anyị naakpọ onwụ, mgbe mkpụrụ ụbọchị anọ gasịrị, Jisọs sịrị "Eyi ayi Lazarọs adawo n'ura" (Jọn 11:11). Ọzọ nime Daniel 12:2 anyị naagụ sị "Ọzọ, ọtutu madu nime ndị nāruru ura n'ala, bu ájá, gēteta. ufọdu ibà na ndu ebigh-ebi, ufọdu ibà n'ita-uta riri nne na oyi agāsọ ha nke uku mgbe ebigh-ebi." Anyị naasị na ndị ahụ nwụrụanwụ, ma Chineke kpọrọ ya ịrarụụra.

Ugbu a gịnị bụ kwa ọnwụ nke onye mmehie? Ọ bụ ụdị ọnọdụ ahụ nke ọ nọ dịka onye amara ikpé nke ahụhụ ebighịebi ma ọ bụrụ na o chègharịghị. Jisọs gwara ndị ahụ nọ n'oriri sị "Oge hour nābia, ugbu a ka ọ dị kwa, mgbe ndị nwuru anwu gānu olu Ọkpara Chineke; ndi nuru gādi kwa ndu" (Jọn 5:25). Ọ naekwu banyere ndị dị ndụ ndị bụ

kwa ndị mmehie, O wee kpọọ ha ndị nwụrụ anwụ. Pọl sịrị Timọti, "Ma nwayi nke nādi ndu ọjọ dika ọ nātọ aru-ya utọ, ọ nwuruwo mgbe ọ nọ ná ndu" (I Timọti 5:6).

**Amụma Dị Icheiche banyere Jisọs**

Anyị mụtara site n'ọtụtụ iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị banyere ọ̀fụ̀fẹ̀ nke ụlọikwuu nime ọzara na apụrụ ịzọpụta mmadụ ọbụná ọtụtụ narị arọ̀ tupu Jisọs abịa ma ọ bụrụ na ha lere anya ọbịbịa Ya n'okwukwe. Ụmụatụrụ niile na anụ niile ọzọ dị icheiche awụsịrị ọbara ha n'ịchụ ọtụtụ àjà naatụ́ Jisọs aka. Náání ndị Israel mụtara uche Chineke site n'aka ndị amụma n'ihi na ha bụ ndị arọpụtara nke Chineke. Chineke kpọrọ Abraham ka ọ rapụ obodo nke aka ya debe kwa onweya iche dịka orù nke Onye kachasị Ihe niile Elu; ma ọ bụ kwa site n'agbụrụ ya, ndị mesịrị n'ikpéazụ̀ bụrụ mba nke ndị Ju, ka Chineke si kuziere ụwa niile àtụ̀màatụ̀ nke nzọpụta.

Abraham maara na Jisọs naabịa, n'ihi na Jisọs sịrị ndị odeakwụkwọ na ndị Farisii: "Obi tọrọ nna-unu Abraham utọ nke-uku ihu ubọchim; ọ we hu ya, ñuri kwa ọñu" (Jọn 8:56). Job, kwa, onye biri ndụ n'oge Abraham biri, kwere na Jisọs naabịa. O dere: "Ma mu onwem amawo na Onyenzọputam di ndu, na ọ gēbili kwa ọtọ n'elu ájá n'ikpéazu" (Job 19:25). Ndị amụma niile kwuru ihe banyere Jisọs, dịka Chineke kpaliri mmụọ ha ikwu. Ihe mere ha ji ekwusa bụ ka ha duru ndị mmadụ bịakute Jisọs, Onyenzọpụta nke mmadụ niile bụ́ ndị gaekwere na Ya.

**Ihe Ndị mmụọozi Maara Banyere Kraist**

Ndị mmụọozi bi n'Eluigwe n'onweha, makwaara na Jisọs gaabịa. Ha chọsiri ike ileba anya n'iheomimi a na Ọkpara Chineke pụrụ ịnwụrụ ndị mmehie ma kwadobe ha maka Eluigwe. Ọ bụ otù mmụọozi bịara maará Josef ọkwà na ọ bụ Meri gaamụ Jisọs. Mmụọozi ahụ sịrị "Ya onwe-ya gāzọputa ndi nke Ya ná nmehie nile ha." Ma n'abalị ahụ amụrụ Kraist ụsụụ ndị mmụọozi bụrụ abụ̀ n'elu ebe ịta nri nke anụ ahụ dị nime Betlehem ebe Jisọs naedina. Ha matara na Jisọs abịaworị n'ụwa dịka Nwaatụrụ nke Chineke ịbụ àjà achụrụ n'ihi mmehie ma ha nyekwara Ya otuto n'ihi ụgwọ ahụ nke O jikeere ịkwụ.

**Ndị orù nke Setan**

Mgbe ndị mmadụ ghọrọ ndị mmehie ha anọghịkwa n'okpuru ọchịchị nke Chineke kama ha enyefeela onweha dịka ndị orù nke ajọ onye ahụ. Setan tinyere échìchè ọjọọ na ọchịchọ ya nime obi ha; ma anyị naahụ́ kwa ọbụná ná ndụ ụmụntakịrị omume dịka iwe, anyaụfụ, ịkpọasị, isiike. Dịka ha naetopụta dimkpa omume ọjọọ ndịa naeto kwa – nime ụfọdụ mmadụ karịa ndịọzọ -- ma mgbe ụfọdụ ọ naeduba mmadụ nime nsogbu dị ukwuu dịka izu ori na igbu mmadụ.

Ma ọbụná asị na mmadụ nwere omume siriike ma nwee kwa ike ido omume ọjọọ ndị ahụ okpuru ya, ha naanọgide nime ya rue mgbe mmadụ ahụ gaabịakute Jisọs maka nzọpụta. Ọ dịghị mmadụ ọ bụla pụrụ iga n'Eluigwe ma ọ bụrụ na ebughị ụzọ were Ọbara Jisọs sachaa ndụ ya wee wepụ mmehie ọjọọ ndị ahụ. Ọ dịghị onye ọ bụla pụrụ iwepụ ụdị mkpụru nke mmehie n'onweya.

**Obi Ọhụụ**

Ọ dịghị onye ọ bụla pụrụ ịkọwa ihe naeme mgbe amụrụ onye mmehie ọzọ. Ọ dịghị kwa onye ọ bụla pụrụ ịhụ́ ime obi nke agbanweworo agbanwe. Mgbe Nikọdimọs, onyeisi nke bịakutere Ya n'abalị jụrụ nkọwa banyere óké mgbanwe ukwuu ahụ nke náewere ifufe dịka ihe ịmaatụ̀. Mmadụ pụrụ ịhụ́ ọtụtụ osisi ka ifufe naañagharị ha; ọ pụrụ ịhụ ụgbọmmiri nke ifufe náebugharị. Ma ọ dịwo onye ọ bụla hụworo ifufe? Mgbe anyị hụrụ ụfụfụ ọcha n'elu mmiri anyị naamata na óké ifufe siri ike náefe, ma anyị apụghị ịhụ́ ya anya. Ọtụtụ ngosipụta nke nzopụta dịkwa otú a. Ọ bụ ezie na anyị apụghị ịhụ́ ime obi nke agbanweworo anyị pụrụ ịhụ́ obiụtọ náadị na ndụ ahụ náadịghị enwe obiụtọ na mbụ. Anyị matara na ọ bụ ezie na ha naekwerị okwu ụgha, ha agaghị ekwu ha ọzọ. Ha agaghị ezu kwa ori ọzọ, maọbụ wee iwe maọbụ kpọọ onye ọ bụla asị.

**Ọ̀kìkè Ọhụụ**

Mgbe mmadụ bịakutere Jisọs, rịọ ya ka Ọ gbaghara ya mmehie ya niile, ọ naaghọ "onye ekere ọhụ" ihe ọ bụla maọbụ mmadụ ọ bụla n'ụwa. Onye nke Kraist naachọsi ike ime ihe naatọ Onyenweanyị karịa ihe ọ bụla ọzọ. Ma karịa ịchọ nke a, enyewo mmadụ ike site n'Ọbara Jisọs ibi ndụ dịka Akwụkwọnsọ naagwa ya.

O nwere ndị naekwu ọtụtụ okwu banyere ịgbanwe ndị náeme iheọjọọ. Ha naagba agụgọ na ndị nọ n'ụlọ mkpọrọ ekwesịghị ka ataa ha ahụhụ; kama nke ahụ, na o kwesịrị ka egosi ha ụzọ ka mma iji bie ndụ. Ma ọ bụ náání mmadụ olenaole naebi ezi ndụ mgbe emesosịrị ha mmeso dị otú ahụ. Ha gaachọ ka ha rapụ izu ori na ime iheọjọọ ndịọzọ ha meworo, otú ọ dị, ha apụghị ịpụta n'ike nke onweha. Ma mgbe Jisọs batara nime obi ha, ha agaghị kwa emehie ọzọ. Mmehie ochie ha niile ka agbaghaworo ma sachapụ kwa, ha adịghị eme kwa ndị ọhụụ.

Ụfọdụ mmadụ naechè na ndị ori na ndị ogbu mmadụ kwesịrị ka azọpụta ha, ma ha onweha, ọ bụrụ na ha emebeghị óké iheọjọọ ọ bụla, na ọ dịghị ha mkpà. Ma Pọl dere sị "Madu nile emehiewo, ha adigh-eru kwa otuto Chineke" (Ndi Rom 3:23). Ọ dịghị onye ọ bụla nwereike ịbanye n'Eluigwe site n'eziomume nke aka ya, maọbụ nweeike ịlụ ọlụ ọma gaeduba ya n'ebe ahụ. Anyị aghaghị ịbịakute Jisọs, náarịọ Ya ka O were Ọbara Ya kpuchie anyị, ka ewee zọpụta anyị. Ma mgbe azọpụtasịrị anyị, anyị gaedebe ịhụn'anya Chineke nime obi anyị site n'iji obi anyị chụbiga àjà òkè na ikpé kwa ekpere kwa ụbọchị. "Onye ọ bula nke nānọgide nime Ya adigh emehie" (I Jọn 3:6). Ọ dịghị mmadụ ọ bụla nke náeme mmehie gaabà n'Eluigwe.

**Mgbapụta**

Ịgbapụta pụtara ịzụtaghachi. Mgbe anyị dabasịrị nime mmehie Jisọs zụtaghachiri anyị; anyị naakpọ kwa nke ahụ mgbapụta. Mgbapụta anyị nwere nime Ya karịrị ịgbaghara mmehie anyị niile. Jisọs nwụchitaara anyị ọnwụ, ịsachapụ mmehie anyị niile; ma ọ wụsịkwara Ọbara Ya maka odudonsọ anyị (Ndị Hibru 13:12). Ọgwụgwọ nke arụ anyị ka arọpụtakwara mgbe Jisọs nwụrụ: "Onye Ya onwe-ya, dika àjà achuru, buru nmehie nile ayi n'aru-Ya n'elu osisi ahu, ka ayi, ebe ayi nwuworo n'ebe nmehie nile di, ka ayi we di ndu n'ebe ezi-omume di, Onye eji ọnya-utari Ya me ka unu nwe ezi ndu" (I Pita 2:24).

Ihe dị n'àtụ̀mààtụ̀ nke mgbapụta karịrị nzọpụta nke mkpụrụobi anyị ya na ọgwụgwọ nke anụarụ anyị. Mgbe Jisọs gaabịa ọzọ Ọ ga agbapụta kwa arụ anyị (Ndi Rom 8:23). Tupu mmadụ emehie, nime Ubi ahụ agbara ogige, ọ dịghị arịa ọrịa, ma mgbe ọ dara o wetara nrịanrịa ahụ n'arụ mmadụ niile. N'oge a Jisọs naeji Ọbara Ya náagwọ anyị mgbe arụ náadịghị anyị ike, ma oge naabịa -- ọ bụrụ na Mwelikọ nke ndịnsọ anọọ ọdụ -- mgbe onye ọ bụla aghaghị ịnwụ ọnwụ nke anụarụ. Ndị Kraist ndị meririemerị ndị buru anyị ụzọ gaa n'ílì gaebili ọzọ n'arụ dị ebube mgbe Jisọs gaabịa, ma "ayi onwe-ayi, bu ndi nọ ná ndu, ndi añarapu, ayi na ha ka agēwelikọ n'igwe-oji, izute Onye-nwe-ayi nime mbara elu-igwe: otú a ka ayi na Onye-nwe-ayi gānọ kwa mgbe nile" (I Ndi Tesalọnaika 4:17).

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Na onyinyo gịnị ka Chineke kèrè mmadụ?
2. Rue òle mgbe ka mmadụ nọgidere n'ụdị ahụ?
3. Gịnị ka anyị naakpọ mmehie mbụ nke mmadụ?
4. Òlee ndị ghọrọ ndị mmehie site ná mmehie Adam na Iv?
5. Site n'oge ra añaa ná ndụ mmadụ ka anyị naahụ́ agwa ọjọọ  nke mmehie?
6. Òlee mgbe mbụ Chineke jiri kwee mkwà ụzọ mgbapụ site  ná mmehie?
7. Gịnị ka Chineke nyere n'iwu banyere onye mmehie?
8. Òlee otú anyị gaesi mezue iwu ahụ náanataghị ahụhụ?
9. Gịnị ka Jisọs meere onye mmehie?
10. Gịnị ka ejikọtara ọnụ nime nzọpụta?